lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Alaeze eluigwe ebe obibi oma Chineke

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Sarah S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2020 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Mgbe Jisos no n'elu uwa O gwara ndi umuazu maka alaeze Chineke. “Nke O kporo ulo nna m”. Na enwere otutu ulo oma ebe ahu.
Ulo oma buru ibu nke ukwu u. Alaeze eluigwe buru ibu maa nma nke ukwu u karia ulo elu uwa.



Jisos gwara ndi umuazu ya si, “a na m ala n'ulo nna m ka m ga doziere unu ebe unu. O buru na m ga dozicha ebe ahu, a ga m abiaghachi ozo bia kporo unu n'onwe m”.



Jisos lahachiri alaeze eluigwe, ka O siri n'onwu bilie.  Di ka umuazu noo n'ele anya, Jisos lagoro eluigwe, anwuru eluigwe wee kpuchie Ya ndi umuazu ya enweghikwa
ike ihu ya.



Site na mgbe ahu, ndi n'eso nzokwu Jisos ka n'echetakwa nkwa Jisos kwere ha na O ga abiaghachi oso bia kporo ndi nke Ya. Jisos kwuru na O ga abia mgbe a na atuwaghi anya ya.



Mana kedu maka ndi kwere na Ya nwuru nu tupu rue mgbe O ga bia? Akwukwo nso kwuru na ha ga alakwuru Ya. O dighi anu ahu o bula ga ahu Chineke nani ma onye ahu onwuru ma obu gbanwe yiwe anwu anwu.



Akwukwo mkpuhe, nke bu akwukwo ikpeazu n'ime akwukwo nso, gwara anyi etu alaeze eligwe siri maa nma di egwu. Ihe juru mmadu anya bu na uzo puru iche, eluigwe bu alaeze Chineke. N'ezie Chineke nozuru ebe nile mana oche eze di na-alaeze eluigwe.



Ndi mmuo oma/mmuo ozi na kwa ndi nso nile no n'eluigwe na akporo Chineke isiala. Otu a kwa ka ndi nile kwenyere na Chineke nile nwuru anwu ma gaa eluigwe ji kwa akpo isiala enye Chineke.  Ha na agu kwa egwu di iche iche wee n'enye Chineke otito mgbe nile.



Mkpuru okwu ndi a bu ufodu mkpuru okwu eweputara n'ime egwu di iche iche ndi nso na agu: I di ebube gi onye jiri obara gi di oke onu ahia wee kpoghachite mba na obodo nile n'ebe Chineke noo, mee anyi ndi eze na kwa ndi ozi Chineke. (Akwukwo mkpuhe 5:9)



Akwukwo ikpeazu n'ime akwukwo nso kowara eluigwe dika “Obodo ohuru Jeruselem”. O buru ibu nke ukwu u bia nwekwa mgbochi n'ezi ya. Emewere ihe mgbochi ahu na okwute mara nma ma di oke onu ahia, na kwa egbuke egbuke.



Ejiri ola edo na ihe okwute nile mara nma ma dikwa oke onu ahia  na egbuke egbuke ka enyo wee choo ya nma.  Ejiri okwute oma bu pearl wee gbaa ogige onu uzo ama.



Nnukwu onu uzo ama eji okwute oma ndi a gbaa ogige adighi emechi emechi. Bia ka anyi banye n'ime obodo ma legharia anya ...Chei! alaeze eligwe mara nnukwu nma n'ime ya. E ji ola edo nke n'egbuke egbuke ka enyo wee choo ama na uzo ama alaeze eluigwe nma.



Nnukwu mmiri nke ndu sikwa n'ocheeze Chineke na-aputa. N'akuku mmiri a ka enwere osisi nke ndu bu nke mbu ahuru ala Eden. Osisi nke ndu a puru iche. O na amiputa mkpuru osisi iri na abuo di iche kwa onwa. Akwukwo ahihia osisi ndu a bu maka ogwugwo mba di iche iche.



Eluigwe achoghi anwu ma o bu onwa o bula i ji were hu uzo.  Ebube Chineke gbazuru oku ebe nile ahu. Enweghi abali n'eluigwe.



Enwe kwara umu anumanu di iche iche n'eluigwe. Ha adighi ata mmadu mana ha na aburu ndi mmadu enyi. Agu na aturu na-atakorita ahihia dika ihe oriri. Nnukwu Odum na erikwa ihe anumanu ozo n'erikwa. Chineke kwukwara si, "na ihe ndi a agaghi ata maobu meruo mmadu ahu n'elu ugwu Ya."



Dika anyi n'elehari anya, anyi choputara na enwere ihe ndi na adighi n'eluigwe. Adighi ihe dika okwu iwe/ojoor. Odighi onye na alu ogu ma obu n'eme ihe ga adabara nani ya.



Odighi ihe dika imechi uzo na nkpochi uzo, maka na odighi onye ohi obula no n'eluigwe. Odighi onye okwu ugha, onye ogbu mmadu, onye ikike ojoor obula, na kwa ndi ojoo obula n'eluigwe. Odighi nmehie obula n'eluigwe.





N'eluigwe ebe Chineke noo odighi ihe anya mmiri di ya. Mana mgbe ufodu umu Chineke n'eluigwe n'ebe akwa maka oke ihe ojoor di n'elu uwa. Chineke ga ehichaa anya mmiri nile.

Onwu adighikwa n'eluigwe.  Umu Chineke na Chineke Ya onwe ga anogide mgbe nile.  Odighi ihe nwute, ibe akwa, ihe ufu.  Odighi nrianria, mgbahapu ma obu ikwa ozu n'eluigwe.

Onye obula n'eluigwe ga na enwe obi anwuri mgbe nile ha na Chineke.



Nke kacha ihe nile, alaeze eluigwe bu maka nwoke na nwanyi na kwa ndi okenye ndi kwetere na Jisos Christi dika onye nzoputa ha ma ruwere Ya isi dika Chi ha.



N'eluigwe e nwere akwukwo nke akporo akwukwo ndu nke nwa aturu Chineke. Aha ndi mmadu juru n'ime ya. Imara aha ndi mmadu n'ime ya? Ndi nile tukwasiri Jisos obi. Aha gi odi n'ime akwuukwo ndu nke nwa aturu Chineke a?



Okwu ikpeazu akwukwo nso kwuru maka alaeze eluigwe bu ezigbo na kwa nnukwu okpukpo oku.



"Mmuo nso na nwunye ga asi, 'Bia!' Onye obula nuru olu ya ga asikwa 'Bia!' Onye o bula akpiri na akponku biakwa. Onye o bula nwere mmasi ma obu onye obula omasiri, ya bia nyuo mmiri ndu a na akwughi ugwo o bula."



Alaeze eluigwe ebe obibi oma Chineke

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ozioma Jon 14;
2 akwukwo nke abuo ndi korint 5;
akwukwo mkpuhe 4, 21, 22

"Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe."
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.